# ALỤMALỤ NDỊ IGBO: ỤDỊDỊ NA ỌNỌDỌ YA N'OGE UGBUA

**Joy Onyinye Onuegbu**
*Ngalaba Igbo, Afịrịka na Nzikọrịtaozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*
*08066260275*
**&**
**Ifeyinwa Cordelia Isidienu PhD**
*Ngalaba Igbo, Afịrịka na Nzikọrịtaozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*
*ic.isidienu@unizik.edu.ng*
*ifyisidienu@gmail.com*
*08033027892*

**Ụmịedemede**

Alụmalụ bụ otu n'ime nnukwu omenala gazuru ụwa niile ọnụ. Ọ bụ njikọta a na-ejikọ nwoke na nwaanyị ka ha bụrụ otu dịka di na nwunye. Ọ bụ site na mmekọ dị n'etiti di na nwunye ka mmadụ si abawanye n'ọnụọgụ. N'oge ugbu a, ọtụtụ ndị lụrụ di na nwunye na-enwe nsogbu dị iche iche nke na-ebute ịgba alụkwaghịm, esemokwu na nsogbu ndị ọzọga. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta alụmalụ dị iche iche e nwere n'ala lgbo, ọnọdụ ha n'oge gboo na n'oge ugbu a, nsogbu si na ya apụta n'oge ugbu a, tinyere ihe a ga-eme ka alụmalụ ndị lgbo wee kwudosie ike. E nyochara ọtụtụ akwụkwọ metụrụ aka n'ihe ndị odee dere gbasara isiokwu a. E sitere n'ajụjụ ọnụ a gbara wee chịkọta ihe e ji mee nchọcha a. A chọpụtara na ọtụtụ ihe na-eweta nsogbu n'alụmalụ bụ anyaukwu na-esite n'ebe ụfọdụ ndị nne na nna nọ, oke ọchịchọ, mpako, ya na mmadụ etozughi etozue wee banye n'alụmalụ. Nchọcha a ga-enyere ndị ntorobịa na ndị nọ n'ime alụmalụ ugbu a aka ịmata usoro ha ga-agbaso iji gbochie esemokwu nke nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm na-adapụtakarị n'etiti di na nwunye maọbụ ndị nwunye. Ndị ntorobịa chọrọ ịbanye n'alụmalụ ga-agba mbọ hụ na ha tozuru ihe e ji mmadụ eme tupu ha awụbanye na ya iji gbanahụ ebili mmiri dị n'ime alụmalụ. Alụmalụ dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo n'ihi na ọ bụrụ na e nyeghị ya ezi nchekwa, ị mara na ọtụtụ ezinaụlọ ga na-anọ n'ọgbaaghara oge dum.

**Okwu mmalite**

N'ala lgbo, alụmalụ bụ otu n'ime omenala dị ọkpụ nke abụghị ọkụ nwata na-agba ngada aṅa nke ọ na-abụ ihe nwata ji ọsọ eme n'ihi na ndị ọgbọ ya emewela. Alụmalụ bụ ihe mmadụ na-etoru etoru tupu ọ banye n'ime ya.

Ndị lgbo nwere ebumnuche ha ji alụ di na nwunye nke isi sekpụ ntị na ya bụ ka e wee mụta nwa. Ihe ndị ọzọ bụ inwe onye inyeaka n'ọrụ ugbo, inwe onye nkasiobi, dg. Ọ bụrụ na mmadụ enwetaghị ebumnuche o jiri lụọ nwaanyị nke e kwuru na ọ bụ ịmụta nwa bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'alụmalụ, ọ na-agba mgbọ hụ na ọ gbasoro usoro alụmalụ dị iche iche dịka alụmalụ nwaanyị na nwaanyị, ịhachi nwaanyị, ikuchi nwaanyị, dg. ka a wee mụta nwa n'ezinaụlọ. Ndị lgbo hụrụ ọmụmụ n'anya nke ukwuu, n'ihi na ọ bụ nwa na-anọchi ngwuru. Ọ bụ ya mere na nwoke ọbụla na-achọ ka ya mụta ụmụ nke ya ka ama ya wee ghara ichii. Ọ bụ ya mere e ji nwee ọtụtụ alụmalụ dị iche iche n'ala lgbo dị ka: alụmalụ otu nwoke na igwe nwaanyị, alụmalụ

otu nwoke na otu nwaanyị, alụmalụ nwaanyị na nwaanyị, alụmalụ nkuchi nwaanyị, ịhachi nwaanyị, na ndị ọzọ. Ụfọdụ n'ime alụmalụ ndị a, na-eweta nsogbu dị iche iche dịka oke ọchịchọ, mpako, oke esemokwu n'ezinaụlọ. N'agbanyeghị ọtụtụ ihe ndị a na-echere alụmalụ aka mgba n'oge ugbu a, a ga-ezipụta ihe a ga-eme iji mee ka alụmalụ kwudosie ike n'ala Igbo.

**Ntụleghari agụmagụ**

Ndị lgbo nwere omenala na-achịkwa ha nke mere ha ji dị iche n'agbụrụ ndi ọzọ. Agbụrụ ọbụla nwere akparamaagwa dị iche iche e jiri mara ha, ebe ọtụtụ mmadụ bikọrọ ọnụ nwekwara ụdị akparamagwa e ji mara ha. E nwere usoro e si anabata nwa ọhụrụ n'etiti ọhanaeze nke a ga- ezipụta site na mbikọ ọnụ nwoke na nwaanyị n'ụzọ ọhanaeze ga-anabata. Ụzọ kacha pụta ihe ọtụtụ agbụrụ na mba dị iche iche si anabata nwa a mụrụ ọ hụrụ ma na-abawanye bụ site na alụmalụ. Ọ bụ mgbawanye sitere n'usoro alụmdi na nwunye ka ndị Igbo na-anabata dịka ụzọ ziri ezi a ga-eji wee na-amụbanye. Ihe gbasara alụmdi na nwunye n'ala Igbo abụghị ihe malitere taa. Alụmalụ bụ usoro pụrụ iche mmadụ abụọ si egosipụtara onwe ha ihụnanya miri emi site n' ibịkọ ọnụ ma bụrụ otu anụ ahụ dịka nkwenye ọdịnala ndị Igbo siri dị. Ọ bụ nke a ga-eme ka ụmụ a ga-amụta bụrụ ihe ziri ezi n'anya ọhanaeze ma bụrụkwa oke dịịrị nne na nna. Ofomata (2013:496) kọwara na ịlụ nwaanyị bụ nwoke na nwaanyi ibikọ ọnụ dịka di na nwunye n'ụzọ omenala obodo nabatara. Ọ bụ ọkpụrụkpu omenala gbanyere nnukwu mkpọrọgwu na ndụ ndị Igbo. Ọ dịghị mpaghara ala Igbo ji alụmalụ egwuregwu n'ihi na ọ bụ otu n'isi a hụrụ wee kwaba okpu na ndụ ndị Igbo. N'oge gboo, ndị lgbo maara n'ezie na mmadụ na-eto eto ma na-amụbakwa amụba, ya bụ mmadụ kwesiri ito n'ụzo kwesiri ekwesi ma mụbakwa n'ụzo obodo nabatara. Hofstede (1984:51), rụtụkwara aka n'omenala ma kọwaa na ọ dịka njikọ ọnụ na obibi ndụ nke na-ekewapụ otu ndị na etiti ndị ọzọ. Nke a gosiri na omenala ndị nwere ewumewu dị iche iche mejupụtara ya nke otu n'ime ha bụ ịlụ nwaanyị. Alụmdi na nwunye bụ otu ihe zuru ụwa ọnu, ma bụrụ ihe dị oke mkpa na ndụ ndị lgbo. Onye ọbụla rugoro ogo ilụ nwaanyị n'ala Igbo na-agbalisike ịbanye n'ime oke ewumewu a dị nnukwu mkpa.

**Alụmalụ dị iche iche e nwere**

E nwere ụdị alụmalụ dị iche iche n'ala Igbo dịka alụmalụ ịhachi nwaanyị, alụmalụ nwaanyị na nwaanyi, alụmdi na nwunye na nwata, alụmalụ ikuchi nwaanyi, alụmalụ otu nwoke na igwe nwaanyi, alụmalụ otu nwoke na otu nwaanyị.

**Ịhachi nwaanyị**

Nke bụ ụdị alụmalụ a na-ahụkarị n'ezinaụlọ ebe nwoke amụtaghị nwa nwoke, nne na nna ezinaụlọ a na-ahapụ nwa ha nwaanyị ka ọ nọrọ n'ụlọ nna ya mụtawa nwa, ka a wee mara ma ọ ga-amụta nwa nwoke. Nwata nwaanyị a ga-anọzị n'ụlọ nna ya na-atụ ime ma na-amụkwa ụmụ n'alụghị di. Ebumnobi e ji eme ihe dị etu a bụ ka ama ha wee ghara ichii. Ụmụ niile nwata nwaanyị ahụ ga na-amụta ga na-aza aha nna nke nwaanyị ahụ ma sorokwa keta oke ezinaụlo ahụ na nke obodo. Osuagwu (1979:47) kọwara n'ịhachi nwaanyị bụ mgbe nna n'amụtaghi nwa nwoke na-achọ onye ga-anọchi ngwuru ya ma ọ nwụo ka oke chi ya ghara ifunarị ya. Mgbe ụfọdụ n'ala Igbo, nna amụtaghi nwa nwoke na-ahapụ otu ada ya

nwaanyị ka a mara ma a ga-esi n'aka ya nweta nwa nwoke ga-aza aha nna ya dị ka a ga-asị na ọ bụ nna ya mụtara ya.

**Alụmalụ nwaanyị na nwaanyị**

Nke a bụ alụmalụ ebe nwaanyị na-alụ nwaanyị ibe ya. Ọ bụrụ na nwoke amụtaghị nwa nwoke maọbụ nwa ma ọlị, nwunye nwoke ahụ ga-eje lụbata nwaanyị ọzọ ga-amụtara ha nwa. N'ụdị alụmalụ a, ọ bụghi iwu na nwaanyị ga-alụbata nwaanyị ọzọ n'anya di ya iji mụta nwa, nwaanyị nwekwara ike ịlụbata nwaanyị ọzọ n'azụ di ya ma chọtara ya nwoke a ga-esi n'aka ya wee mụtawa ụmụaka. Ebumnobi nwaanyị ji eme nke a bụ ka aha di ya ghara ifu. Isidienu (2016:137) kọwara alụmalụ nwaanyị na nwaanyị dịka alụmalụ ebe nwaanyị amụtaghi nwa nwoke n'ezinaụlọ maọbụ a mụghi nwa ma ncha, ga-eje lụbatara di ya nwaanyị ọzọ site n'ịkwụ ụgwọ isi nwaanyị, nwaanyị a lụbatara na nke lụbatara ya ga-ebi n'otu mkpuke ka o wee nwee ike ileta nwaanyị ọhụụ ahụ na ụmụ ọ ga-amụta anya nke ọma. O kwuru na ụmụaka nwaanyị ahụ mụtara ga-eji nwaanyị nke mbu mere nnukwu nne ha.

**Alụm di na nwunye na nwata**

Ọ bụ ụdị alụmalụ ebe mmadụ na-alụ di maọbụ nwunye na nwata, nke a na-apụtakịrị ihe ebe e nwere naanị otu nwa nwoke maọbụ ebe a mụtaghị nwa nwoke n'oge. N'ọnọdụ dị etu a, ndị be nke nwoke ga-agba mbọ lụọrọ nwa ha nwoke nwaanyị n'oge ka o wee bido oge ahụ mụtawa nwa. Ihe kpatara nke a, bụ ka ama ha wee ghara ichii ma a chọ ha maọbụ nwa ha achọọ makana ndị Igbo kwuru okwu sị na nkwụcha abụghị ụjọ. Osugwu (1979:38-39) na nkọwa nke ya kwuru na a bịa n'oge ochie na ihe kpatara nne na nna ji alụrụ nwa ha nwoke nwaanyị mgbe ha dị ntakịrị, oge o nweghi ike ịlụ nwaanyị n'onwe ya bụ n'ihi a mụtaghị nwa nwoke n'oge. Ọ bụghịkwa naanị n'ebe ụmụ nwoke nọ ka a na-ahụ alụm di na nwunye na nwata. Ubesie (1979:45) kọwara na a bịa n'ọtụtụ obodo dị n'ala Igbo n'oge gboo na a mụọ nwata nwaanyị n'ezinaụlọ nwere ezigbo aha, ezinaụlọ chọrọ ka nwa ha nwoke lụọ nwa nwaanyị ahụ na-abịa mee omenala n'isi nwata nwaanyi ahụ iji gosi na aka ejidela ya. Ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ ndị bịara mee omenala n'isi nwata nwaanyị ahụ ga-alụ ya ma o tolite.

**Alụmalụ ikuchi nwaanyị**

Ụdị alụmalụ a na-apụtakarị ihe mgbe nwoke na-alụ nwaanyị nwụrụ, nwanne nke nwoke anụghara nwunye nwanne ya nwoke maọbụ nwunye nna ya nwụrụ anwụ ma ọ bụrụ na nwaanyị ka na-atụ ime. Tupu e kuchie nwaanyị, a ga-ebu ụzọ mee mmemme akwamozu di nwaanyị a ga- ekuchi. Nwoke ọbụla chọrọ ikuchi nwaanyị ahụ ga-eduru ya jee na be nna ya wee mee omenala ụfọdụ kwesịrị ekwesi tupu ọ kpọrọ nwaanyị dịka nwunye ya. Ime omenala n'isi nwaanyị ahụ ga-eme ka ụmụ nwaanyị ahụ ga-amụtara ya bụrụ ụmụ ya; ebe ụmụ niile nwaanyị ahụ mụtaara di izizi lụrụ (ya bụ nke nwụrụ anwụ) bụ ụmụ di ya ahụ lara mmụọ. Onuorah (2021:443) kọwara nkuchi nwaanyị dị ka alụmalụ nwoke na-eweghara nwunye nwanne ya nwoke nwụrụ anwụ ka ọ bụrụ nwunye ya. Tupu e mee nke a, a ga-eje na be nna nke nwaanyị mekwaa omenala ụfọdụ nke ga-eme ka ụmụ a mụtara ka e kuchịrị nwaanyị a dịịrị nwoke ahụ kuchịrị ya. N'otu aka ahụ, Ubesie (1978: 232-233) kwuru na a bịa na ọtụtụ obodo dị n'ala Igbo, nkuchi nwaanyị bụ omenala kwụ ọtọ n'anya n'ịhị na ihe e jikarị ekuchi nwaanyị di ya nwụrụ anwụ bụ ka o doo anya na ọ bụ nwoke ahụ ga-ekuchi ya ga na-eleru nwaanyị a na ụmụ ya anya, ọzọ nwaanyị a mụta nwa mgbe di ya mbu nwụchara, a mara onye

nwe nwa. Mgbe ụfọdụ ụmụnwaanyị anaghị achọ ka e kuchie ha kama ha na-aga meta enyi nwoke ga na-eleru ha anya ma na-egbokwara ha ọtụtụ mkpa di ha na-egboro ha mgbe ọ nọ ndụ.

**Alụmalụ otu nwoke na igwe nwaanyị**

Ịlụ igwe nwaanyị bụ ụdị alụmalụ ebe nwoke na-alụkarịa otu nwaanyị. Ọ bụ usoro alụmalụ a na-ahụkarị na mba ụwa dị iche iche ọ kachasị na mba Afịrịka. Ụdị alụmalụ a na-ejikọta ọtụtụ ezinaụlọ ọnụ ka ha bụrụ otu. Ọ bụ eziokwu na alụmdi na nwunye bụ njikọ nke otu nwoke na otu nwaanyị dịka di na nwunye mana ọ dịghị etu a n'ala Igbo n'ihi na omenala ndị Igbo kwadoro alụmalụ otu nwoke na ọtụtụ ụmụnwaanyị n'otu mgbe. A na-enwe ụbara mkpuke n'ebe a na-alụ igwe nwaanyị. Akwụkwa ole dị n'ezinaụlọ ahụ na-egosi nwaanyị ole di nwe ụlọ na-alụ. N'oge gboo n'ala Igbo, a na-ahụta ịlụ igwe nwaanyị dịka nnukwu ihe. Nwoke ọbụla lụrụ igwe nwaanyị na-enwe ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche n'obodo n'ihi na a na-ahụta ya dịka onye nwere akụnaụba. Nwoke lụrụ igwe nwaanyị na-amụta ọtụtụ ụmụaka na-enye aka n'ọrụ ugbo n'ihi na ọ bụ ihe e ji mara ndị Igbo n'oge gboo. Ọtụtụ ụmụaka na-enyekwara nwoke aka inwe ndị ga-eso ya jikọba akụnaụba ya ọnụ. Ndị Igbo na-alụkwa igwe nwaanyị iji mụta ọtụtụ ụmụ nwoke ga-eso na-eje agha. N'oge gboo, a na-nwekarị agha ogbe na ogbe na agha obodo na obodo, ndị bụ ọgaranya n'obodo na-atụ egwu na ndị agha nwere ike gbuo ha ma busaa akụnaụba ha nwere. Nke a so n'ihe ụmụ nwoke ji alụ ọtụtụ ụmụ nwaanyị iji mụta ọtụtụ ụmụ nwoke ndị ga-eso na-eje ọgụ n'obodo ma agha dapụta.

Dureke (1964:32) kọwara ịlụ igwe nwaanyị dịka nwoke ịlụ ọtụtụ ndị inyom ga-amụtara ya ọtụtụ ụmụaka tụmadị ịmụta ụmụ nwoke ndị ga-eso nna ha chekwaa akụnaụba ya ma soro lụọ ọgụ mgbe agha dapụtara n'obodo. N'agbanyeghị nke a, Obi (1970:58) kọwara na ihe mere ụfọdụ nwoke ji abanye n'ịlụ igwe nwaanyị bụ n'ihi na nwaanyị nke mbụ ha lụrụ amụtaghị nwa nke ga-eme ka nwoke ahụ lụbata nwaanyị ọzọ ga-amụtara ya nwa. N'otu aka ahụ n'oge gboo, ịgụ akwụkwọ n'ụdị ọgbara ọhụrụ dịka ọ dị ugbu a adịghị n'ihi ya ụmụaka ndị ahụ a mụtara anaghị eje akwụkwọ. Ọ bụ naanị etu e si akọ ọrụ ugbo, ịkụ azụ na akaọrụ dị iche iche bụ ihe dị mkpa a na-akụziri ụmụ nwoke ebe a na-akuziri ụmụ nwaanyi etu e si esi nri, akpa ute, ịkpụ ite na ide uri n'ahụ. Ugbu a, ọtụtụ ndị Igbo ejighizi ihe gbasara ịlụ igwe nwaanyị kpọrọ ihe n'ihi ọbịbịa ndị ụka bịara n'ala Igbo wee katọọ omenala nwoke ịlụ igwe nwaanyị. Ihe di etu mere ọtụtụ ụmụ nwoke ji alụzị otu nwaanyị iji gbanahụ nsogbu dị n'ịlụ igwe nwaanyị.

**Alụmalụ otu nwoke na otu nwaanyị**

Ịlụ nwaanyị bụ otu n'ime omenala ndị lgbo ma bụrụkwa njirimara ha rue taa. Ọ bụ ụzọ mmadụ na ibe si emekọrịta. Alụmalụ otu nwoke na otu nwaanyị bụ ebe nwoke lụrụ naanị otu nwaanyị. Nke a bụ ezinaụlọ otu mkpuke, ebe a na-enwe naanị otu akwụkwa. N'oge gboo, ndị lgbo ejighị ilu otu nwaanyị kpọrọ ihe. Nwoke ọbụla lụrụ otu nwaanyị n'oge gboo anaghị enwe ọnụ okwu n'obodo, a na-ahụtakwa ya dịka onye aka esighị ike.

**Ọnọdụ ụdịdị alụmalụ dị iche iche e nwere n'ala lgbo n'oge ugbu a**

Nchọcha e mere site n'ajụjụ ọnụ a gbara gosiri na e nweela nnukwu mgbanwe n'ihe gbasara ụdị alụmalụ dị iche iche e nwere n'ala Igbo. Ịhachi nwaanyị bụ ọnọdụ pụtakarịchara ihe, ebe nwoke amụtaghị nwa nwoke na-akwado otu ada ya nwaanyị ka ọ nọrọ n'ụlọ ya wee mụtawara ya nwa iji mata ma a ga-esi n'aka ya mụta nwa nwoke ga-anọchi ezinaụlọ, n'ihi na ha achọghị ka ama ha chie. Ụmụaka a mụtara ga na-aza aha nna nne ha ma ketakwa oke ruuru ha

n'ezinaụlọ ahụ. N'oge gboo ịhachi nwaanyi kara nwee ugwu na nsọpụrụ n'ihi na ọhanaeze nabatara ya, mana n'oge ugbu a, ịhachi nwaanyị na-ewetazị mkparị na ihe ihere nye ezinaụlọ. Ọ na-esi ike ịhụkwa ezinaụlọ ebe a hachiri nwaanyị n'ihi na o nweghizị nne na nna na-achọkebe ka nwa ha nwaanyị nọrọ n'ụlọ ha mụbara ha nwa. Ọtụtụ ezinaụlọ na-agbaso usoro ndị Bekee wepụtara n'oge ugbu a nye di na nwunye na-achọ nwa iji nweta nwa. Ụfọdụ na-eje kwụọ ụgwọ wee kute nwa. Ụfọdụ na-emekwa ọtụtụ ihe dị iche iche nwere ike inyere ha aka n'ịmụta nwa dịka *IVF*.

N'ala lgbo n'oge gboo, a na-akwado nwaanyị ịlụ nwaanyị ibe ya ma ọ bụrụ na nwaanyị enweghi ike ịmụtara di ya nwa. Di na nwunye a nwere ike kwekọrịta n'ime onwe ha ka a lụbata nwaanyị ọzọ ga-amụtara ha nwa mana ọtụtụ oge na-abụ nwaanyị amụtaghị nwa maọbụ nwaanyị amụtaghị nwa nwoke na-alụbata nwaanyị kpọnye di ya, ka o si n'aka ya mụta nwa nke ya. Ọnọdụ nwaanyị ịlụ nwaanyị ibe ya n'oge ugbu a abụrụla ihe mara afọ n'ala n'oge ugbu a n'ihi na o siri ike ịhụ nwaanyị ga-achọ ka ya na nwaanyị ọzọ na-eke di ya. Ọzọ bụ na e nweela usoro ọgbara ọhụrụ dị iche iche nwaanyị enweghị nwa ga-esi nweta nwa nke ya. A chọpụtakwara na ihe ọzọ so weghachi alụmalụ nwaanyị na nwaanyị azụ bụ mbata ekpemekpe ọgbara ọhụrụ batara ala Igbo. Onwujeogwu (1992:65) kwuru na a bịa n'usoro ndị ụka, a na-ahụta nwaanyị ọbụla lụrụ ibe ya dịka onye mere arụ.

A bịa n'ala lgbo, onye ọbụla nwere ikike ịlụ di maọbụ nwunye n'agbanyeghị afọ ole onye ahụ dị. Ọ bụ ya mere ndị Igbo ji alụ di maọbụ nwunye na nwata. Site n'agụmakwụkwọ na mmepe batara ala Igbo, ịlụ di na nwunye na nwata adịghịzị ka ọ dị na mbụ. Ụmụnwaanyị na-achọ ka ha gụgodi akwụkwọ tupu ha abanye na alụmdi na nwunye. Nchọpụta gosiri na ihe so mee n'ịtụta ime mkpuke adịkebeghị n'oge gboo bụ makana a na-alụ di na nwunye na nwata. Mana nwata nwaanyị nwaa anwaa tụta ime mkpuke n'oge gboo, a ga-achọpụta onye tụbara ya ime ahụ ma manye ya ka ọ lụba nwata nwaanyị ahụ. Mgbe nke a adabaghị maọbụ na nwata nwaanyị ahụ amaghị onye nke ọ bụ ya tụbara ya ime ahụ, nne na nna ya ga-agbarịrị mbọ ka a hụ na nwa ha nwaanyị lụrụ di, ọ masịkwa ya, ya bụrụ agadi nwoke eze gwụgoro n'ọnụ bịaara ya di, a ga-amanye ya ka ọ lụọ onye ahụ ka o wee ghara ịnọ n'ụlọ nne na nna ya mụọ nwa nke na-abụ nnukwu ihe ihere dịịrị ezinaụlọ. Ọ bụ ya mere na ịtụ ime mkpuke n'oge gboo na-esi ike, n'ihi mkparị, mkpagbu na ihe nhụju anya nwata nwaanyị tụtara ime mkpuke na-agabiga. Nzeakor (1979:43) kọwara ime mkpuke dịka ọnọdụ nwata nwaanyị nwere ike ịdabanye n'ime ya tupu ọ lụọ di. Ịtụ ime mkpuke bụ nnukwu ihe ndaghachi azụ n'ebe ndị ntorobịa nọ n'oge ugbu a n'ihi na o mere ọtụtụ ndị ntorobịa ịlụ onye abughị obi ha. Ndị nsogbu a na-emetụtakarị bụ ụmụ nwaanyị n'ihi na nwoke ahụ tụbara ha ime nwere ike ghara ịlụ ha, nke a nwekwara ike iduba ha n'ịlụ onye abụghị mmasi ha. A na-enwetakarị oke esemokwu nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm n'alụmalụ dị etu ahụ n'ihi ọtụtụ ihe mkpọbi ụkwụ ọ na-eweta n'ezinaụlọ taa.

A bịa n'ikuchi nwaanyị, nke pụtara nwoke iweghara nwunye nwanne ya nwoke maọbụ nwunye nna ya nwụrụ anwụ, Kottak (2009) kọwara na tupu nwoke anụghara nwunye nwanne ya, ọ ga-ebu ụzọ tulee ma ọ ga-elekọtakwa nwaanyị a na ụmụ ya anya, ọzọ bụ ịmata ma nwaanyị ọ ga-erubekwara ya isi, ọ dịkwa ike ọrụ, ọ bụ onye a na-enyo omume ya enyo, dg. ihe ndị a, ka ọ ga-atụlesị tupu ọ banye njem ahụ. N'oge ugbu a, o dịghịzị etu ọ dị n'oge gboo n'ihi na ihe niile agbanweela. Ụmụ nwaanyị di ha nwụrụ anaghịzị achọ ịnọ n'okpuru nwanne di ha iji malitekwa ịmụta ụmụaka. Ọnọdụ dị etu a mere ka ụfọdụ ụmụ nwaanyị di ha nwụrụ anwụ na-agba n'ezi wee na-amụta ụmụ, ebe ụfọdụ gụrụ akwụkwọ na-ahapụ ezinaụlọ di ha nwụrụ anwụ gaa lụọ di ọzọ ma site n'aka ya mụtawa ụmụ, karịa ikweta ka nwanne di ya ikuchie ya.

Ọnọdụ ọzọ a na-ahụkwa n’oge ugbu a, bụ na ụfọdụ ụmụnwaanyị di ha nwụrụ anwụ na-ajụ kpamkpa na nwanne di ha agaghị ekuchi ha, jụkwue na ha agaghị alụ di ọzọ nke ha ga-ekweta nwoke ọbụla n’ụdị ịgba akwụna. Ebe a na-ahụkarị nke a bụ ebe ndị otu ụka Krasit nọ; ha na-anọrọ, ma zụwa ụmụ ole ọbụla ha mụtara tupu di ha alaa mmụọ.
Alụmalụ nwoke ịlụ igwe nwaanyị bụ otu n'ime alụmalụ pụtakarịchara ihe na ndụ ndị lgbo n'oge gboo. A na-enye nwoke ọbụla lụrụ igwe nwaanyị ugwu na nsopụrụ puru iche, na-ahụta nwoke lụrụ otu nwaanyị dịka onye ihe na-esiri ike. Ọtụtụ oge, ụmụ nwaanyị a lụrụ na ụmụaka a mụtara n'ezinaụlọ a lụrụ igwe nwaanyị na-ahụ onwe ha n'anya ma na-ebikwa n'udo, ha na-arụkọ ọrụ ọnụ ma na-esikọkwa nri ọnụ. Mana n'oge ugbu a, a na-ahụtazị nwoke lụrụ igwe nwaanyị dịka onye amachaghị ihe n'ihi ihe isiike juru obodo taa. Etu ọnọdụ nwoke ịlụ igwe nwaanyị si gbata kwụrụ n’oge ugbu a na-agba anya mmiri n’ihi oke esemokwu, ọgbaaghara na adịghị n'udo jupụtara n'ezinaụlọ. Ọtụtụ ndị nwuyeedi na-ekechi ụmụ nwunyeedi ibe ha ka ha ghara ịga n’ihu maọbụ baa uru na ndụ ha, ebe ụfọdụ na-akpa nsị ma na-ebubata arụsị dị iche iche n'ezinaụlọ iji gbuo onye ọbụla nyere ha nsogbu.

Alụmalụ otu nwoke na otu nwaanyi bụzị ihe na-ewukarị n’oge ugbu a. Ọtụtụ ụmụ nwaanyị anaghịzịkwa achọ ụmụ nwaanyị ọzọ ha na ya ga na-eke di ha nke ụfọdụ ụmụ nwoke na-achọkwa ịlụ igwe nwaanyị iji gbanarị isi ọwụwa na ọbara mgbali elu. Otu ihe pụtara ihe bụ na ọnọdụ alụmalụ a agbanweela n'oge ugbu a. Ọtụtụ anaghịzị ajụ ase tupu ha abanye na alụmdi na nwunye nke mere ka ọ bụrụ ọnọdụ na-agba anya mmiri maka na mgbe ụfọdụ, ọ bụrụ ebe nwoke siri kote nwaanyị o koro ya lakpue dịka nwunye ya n’ajụghị ase gbasara ezinaụlọ o si pụta. Ụfọdụ esila n'ụzọ dị etu a dina maọbụ lụọ onye ya na ha sitere n’otu ọbara n’amaghị ama.

Ọtụtụ ihe bụkwuazị ihe so eweta nsogbu n’alụmdi na nwunye n'ezinaulo n’oge ugbu a. Onye lụrụ ajọ nwaanyị na-anọ na nnukwu nsogbu. Nwaanyị ọbụla nwere ajọ obi na ajọ ndụ ọ na-ebi anaghị enwe nsọpụrụ ma ncha. Nwaanyị nwere anyaukwu, oke ọchịchọ, mpako na enweghi afọ ojuju na-ebute nnukwu nsogbu n'ezinaụlọ.
Ọzọ bụ ịgba akwụna nke bụ omume ọjọọ na-apụtakarị ihe n'etiti di na nwunye n’ahụghị onwe ha n'anya. Mgbe ọnọdụ ezinaụlọ dagharịrị; ọ dị ka ihe esiiri nwoke ike, ọ bụ oge a ka nwaanyị ahụghị di ya n'anya ji ewepụta ajọ agwa ya n'ebe nwoke nọ site n'ịgba n'ezi ma chefu ezinaụlọ ya.
Ihe ọzọ bụ nwoke iti nwaanyị ihe. Ọtụtụ ụmụ nwoke na-eji aka etigbu nwunye ha. Ụfọdụ ụmụ nwoke na-ewekwa iwe oku na-eti nwunye ha ihe. Ebe ụfọdụ ụmụ nwoke anaghị anabata ezi ndụmọdụ maọbụ kwenye n'arọ ndị nwunye ha tụtara nwere ike ịbara ezinaụlọ uru.

**Ihe a ga-eme ka alụmdi na nwunye n’ezinaụlọ wee kwudosie ike**

Ezinaụlọ ọbụla dị mma dịka ụlọ elu a ruru nke ọma kwụ chịm, nwere ezi ntọala siri ike ga-anọ ọkpụtọrọọkpụ. Ezinaụlọ nwere ezi ntọala na-eto nke ọma ma bụrụkwa ebe udo na ịhụnanya jupụtara n'ime ya. N’alụmalụ, ihe kacha mkpa ma buru isi a hụrụ wee kwaba okpu bụ ịhụnanya n'ihi na ezinaulo nwere ịhụnanya agaghi enwe obi imegide onye ọbụla nọ n'ime ya. O kwesịrị ka e nwee ịhụnanya tọrọ atọ n’ezinaụlọ ka obi wee bụrụ n’otu. Nwoke na nwunye ya ekwesịghị ịgbado ụkwụ n’ego maọbụ na mma onye ahụ mara were banye n’alụmalụ, makana o buru n’ego agwụ, mma alaa.

Ndị lgbo sị na "ọ bụ aka mere azụ mgbakọ". Ndị lgbo na-enwe ezi mmasị n'ịzụlite ụmụaka n'ịkpa ezi agwa. Ọ bụ ya mere onye lgbo ọbụla ji agba mbo ịzụlite ụmụaka ya n'ụzọ dị mma ka ha wee mụta ezi usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ya. N'ebe a ka nne na nna ga-akụnye n'ime ụmụ ha mmụọ ịhụnanya, ezi agwa, mmụọ nnagide, mmụọ mgbaghara nke ga-eme ka ha na ibe ha na-enwe ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Ha ga-akụziri ụmụaka etu e si ekele ndị okenye na ndị tọrọ ha ma na-enyekwa ha ugwu na nsọpụrụ.

N'oge ugbu a, ọ dị mkpa ka ọtụtụ di na nwunye amụtaghị nwa jee kute nwa ma site n'ụzọ dị etu a mee ka alụmdi na nwunye ha na-esiwanye ike. Ihe ọzọ nwere ike ime ka ezinaụlọ kwudosie ike bụ ka ndị nne na nna zụnye n'ime ụmụ ha egwu chineke ya na etu e si ekpe ekpere iji gbanahụ nsogbu ọbụla nwere ike ịdapụtara ha n'ọdịnihu.

Ndị niile nọ n'alụmalụ ugbu a na ndị ntorobịa ka na-achọ ịbanye n'alụmalụ ga-agbakwa mbọ hụ na ha sonyere n'ọzụzụ maka alụmalụ nke a kpọrọ *marriage course* na Bekee a na-enye mmadụ abụọ chọrọ ịlụ onwe ha iji nyere ha aka n'ezinaụlọ ọhụrụ ha na-akwado ịbanye n'ime ya.

**Mmechi**

Alụmalụ bụ otu n'ime nnukwu omenala nke jikọrọ nwoke na nwaanyị ọnụ ka ha bụrụ otu. O nwere ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche. E nwere ụdị alụmalụ dị iche iche n'ala lgbo nke gụnyere alụmalụ otu nwoke na igwe nwaanyị, alụmalụ nkuchi nwaanyị, nhachi nwaanyị, dg. Ọ bụ ihe a na-eme n'ezi usoro dịka omenala siri dị, a naghị eme ya na nzuzo n'ihi na o metụtara ụmụnna na ọhanaeze. N'oge gboo, usoro alụmalụ kara doro anya n'ihi na a na-agbaso usoro a dịka o kwesịrị mana ugbu a, ndị ntorobịa na-ahapụzị omenala na-emezị ka o si masị ha, o wee na-ebute nnukwu nsogbu n'ezinaụlọ.

Ọ ga-adị mma ma ndị lgbo gbaa mbọ laghachi azụ ma kwudosie ike n'oge ugbu a na usoro ndị ahụ e si alụ nwaanyị n'oge gboo n'ala lgbo iji gbanahụ ọdachi, nsogbu na ihe egwu dị iche iche na-esi n'ezinaụlọ apụta n'ihi na udo na ịhụnanya bata n'ezinaụlọ, ezinaụlọ ahụ ga-anọ ogologo ndụ.

**Edensibịa**


Dureke, J.A. (1964). *Ememme ndị Igbo.* Ibadan: Evans Brothers.

Hofstede, G. (1984). National, cultures and corporate cultures in L.A Samover & R.E Poter (Eds).

Isidienu, I. C. (2016). "Igbo traditional marriage customs and values." N'Umezinwa, E. C, Nwadialor, K. L. et al. *Humanities and African values.* Awka: Fab Anieh Publishers. ISBN: 978 -978 – 8454-30-13

Kottak. C. P. (2009). *Cultural anthropology.* New York: M C Graw. Hill.

Nzeakor, J.U.T (1979). *Omenala ndi Igbo.* Ibadan: University press ISBN 978-139-103-0

Ofomata, C.E. (2013). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndi juniọ sekọndịrị.* Enugu. Format publishers.

Onuorah, J.C (2021). *Usoro ọmụmụ Igbo ụtọasụsụ, agụmagụ na omenala maka sịnịo sekọndịrị.* Onitsha: patomonic printer & publishers. ISBN-978-978-48032-3-6

Osuagwu, B.I.N (1979). *Ndị Igbo na omenaala ha.* Onitsha: Macmillian Nigeria Publishers.

Onwuejeogwu. M. A. (1992). *The social anthropology of Africa.* lbadan: Gold press.

Ubesie, T. (1978). *Odinala ndi Igbo*. Ibadan: University press.